


# • Otu Jikotara Uwa
# Ihe E Kwuru
# N' afo Puku

# • "Anyi Bu Ohaneze..."

OGBAKO AFO PUKU
NEW YORK, 6-8 SEPTEMBER, 2000.

A Translation of "The Millennium Declaration" Into Igbo

# 1

**Otu Jikotara Uwa**
**Ihe E Kwuru N' afo Puku**

**Ogbako Afo Puku**
*New York, 6- 8 September, 2000*

## OKWU MMALITE

Ihe Otu Jikotara Uwa Kwuru N'afo Puku bu akwukwo omamaatu maka afo nari ohuru. Nke e kwekoritara n'Ogbako Afo Puku—e nwere bido n' ubochi nke isii ruo n'ubochi nke asato n'onwa Iteolu n'afo 2000 na New York—o na-egosi otutu ihe di n'obi ndi Isiala na Goomenti nari na iri ano na asaa, ma obodo nari na iri iteolu na ofu ndi nwere ogbako kasi n'onuogugu nke ndi ochichi uwa nwauugoro.

E cheputara Ihea E Kwuru site nime otutu nzuko e nwere n'imerime onwa, site n'igbanye otutu olu ndi mmadu a nuru n'ebo n'ebo ma Ogbako Afo Puku nke nyere ndi mmadu ohere ikwu mmuo ha. O bi du m uto ifu na a nabatara otutu ihe a ga-eme m zoputara di nime Akwukwo Ozi Afo Puku m.

Ihe m bu n'isi m jiri were tupata atumatu ka e nwee Ogbako bu ka e were obi Afo Puku were leba anya n'otutu mkpa ndi mmadu n'akuku uwa niile. Mgbe m gesiri nti n'olu ndiochichi uwa ma mgbe m gusiri Ihe E Kwuru, o meturu m na mmuo ifu na uche ndi mmadu bu ofu n'otutu ihe chere anyi n'ihu, ma etu o siri di mkpa na e mere ihe banyere ha osooso.

Ndiochichi e kwuela ihe a ga-emegasi ka e mee ka okara ndi mmadu dara ogbenye nke ukwu si n'ogbenye puta, ka e mee ka mmadu dum nwee ezigbo mmiri ma mmuta, ka a kwusi mgbasa oria Onyiridibia (HIV/AIDS) biakwasi mezue otutu ihe ndiozo maka inwe agamnihu. Ha kwuru ka e mee ka uzo Otu Jikotara Uwa si eme ka udo di ebe nsogbu di siwanye ike, ka otutu ogbe enweghi onyenchedo nwee nchekunbe n'ebe anyi no mgbe ha no na mkpa. Nkeozo ha gwara anyi ka anyi buso mmegbu na enweghi nhatanha ogu, aruruala ma ajoihe, biakwasi chedo ihe chi nyere uwa dum, eluala, maka ndi ga-eso anyi n'azu.

)tutu uzo

N'Ihe E kwuru, ndiochichi uwa gosiri nkeoma otutu uzo

a ga-eso were mee ka Otua dabanye nkeoma n'oge afo nari ohuru. O di ha mkpa nke ukwu, n'ezie, ka Otu Jikotara Uwa kwusie ike. Ha choro ka a ruwa oru ma, nke kasi ha dum, bu ka ahu ihe a ruputara. N'akuku nke m, ana m ekwe nkwa n'aha m ma nke ndioru m na anyi ga-aru orua nkeoma. Mana e mere elu e mere ala, O bu ndi isiala ahu n'onweha bu Otu Jikotara Uwa. O bu ha ka o di n'aka, n'ihi ya, o bu oru ha ifu na e mezuru ihe ha kara. A na m si ha, ma ndi otu ha, ma umu uwa: nani unu ga-ekwu na Otu Jikotara ga-aruni oru chere ya n'ihu.

**Kofi A. Annan**
Odeakwukwo Oha
Otu Jikotara Uwa

## Ogbako Oha

Weere ihe ndia dika Ihe E Kwuru: Otu Jikotara Uwa Ihe E Kwuru N'Afo Puku

## I. OTUTU IHE E BU NA MMUO

1. Anyi, bu ndi Isiala ma Goomenti, gbakonyoro n'Isiulooru nke Otu Jikotara Uwa na New York bido n'ubochi nke issii ruo ubochi nke asato n'onwa Iteolu n'afo 2000, na chiofufo nke ato Puku ohuru, ka anyi kwekwa nkwa ozo n'ihe gbasara okwukwe anyi nwere na nyabu Otu ma Akwukwo-Iwu ya were ha dika otutu mgborogwu e nwere maka inwe ezigbo agamnihu ma enweghi mmegbu n'uwa.

2. Anyi kwetara na, e weruka otutu oru anyi nwere maka ala anyigasi n'ofu n'ofu, na anyi ga-ejiko aka fu na a na-asopuru otutu okpurukpu iwu e nwere maka ugwu mmadu, nhatanha ma enweghi mmegbu n'elu uwa. Dika ndiisi e nwere oru diiri anyi n'ebe umu uwa niile, tumadi ndi enweghi onye ga-ekwuru ha ma, tumadi umuntakiri n'uwa, ndi o bu ha nwe ogeodinihu.

3. Anyi na ekwekwa nkwa ozo n'ikwusi ike n'ihe niile ebu niisi ma otutu okpurukpu iwu di nime Akwukwo-Iwu nke Otu Jikotara Uwa, nke ga-adu ndudugandu biakwa buru ozurumba. N'ezie, ume ha n'iba uru ha ma imelite mmuo ndi mmadu bawanyere site n'etu obodogasi ma umu uwa siri were n'enwe otutu ihe jikoro ha onu ma inyeritara ibe ha aka.

4. Obi siri anyi ike ifu na e nwere ezigbo udo ga—ano odu n'uwa niile dika ihe niile ebu n'isi ma iwu niile di nime Akwukwo-Iwu. Anyi ekwekwa nkwa ozo maka ikwado mbo niile maka inwe nsopuru n'inwereonwe ma nhatanha nke Obodo niile, inwe nsopuru maka gburugburu ala obodo obula ma ochichi onwe ha, idozi okwu n'uzo udo ma n'uzo enweghi

mmegbu ma iwu metutara akuku uwa di iche iche, ike izo-ahu maka inwere onwe nke ndi mmadu noriri n'okpuru ala ozo ma ndi a wara n'ala ha, amanyeghi aka na ngwuru obodogasi, inwe nsopuru maka otutu ike ma ohere iwu nyere mmadu, inwe nsopuru maka nhatanha nke mmadu niile n'ike niile iwu inyere mmadu n'enwghi nkewa sitere n'ebe onye si, oke maobu nnwunye, asusu maobu okwukwe ma ijikota aka uwa n'idozi okwu di n'uwa n'ihe gbasara aku na uba, mmekorita, omenala maobu oruobiebere.

5. Anyi kwetara na oke oru chere uwa n'ihu ugbua bu ifu na uwaibuofu bu ihe ga-abaru uwa dum uru. O bu eziokwu na uwaibuofu ga-emeghe otutu uzo ga-aba uru, ugbua uru si na ya ezughi oha onu, n'otu aka ahu ekeghi afufu si na ya nkeoma. O kwere anyi ghota na otutu obodo n'emepe emepe ma otutu obodo n'amalite mmepe nwere nsogbu puru iche n'ihe gbasara oke orua chere uwa n'ihu. N'ihi ya o bu nani site n'ijiko aka ma igbasi mbo ike n'eleghi anya n'azu n'iru oru maka odinihu, nke ga-eburu n'isi na mmadu dum bu ofu n'agbanyeghi ebe ndi si, ka uwaibuofu ga-esi nwee isi zuru oke. A ga-etinyeriri n mbo niilea otutu usoro ma otutu ihe ndi ozo a ga-eme, n'uwa niile, nke ga-agbanye otutu ihe digasi obodo n'emepe emepe ma ndi n'amalite mmepe mkpa biawasi fu na obodo ndia soro kwu biakwasi sonye n'ime ihe niilea e kwuru.

6. Anyi maara na o nwere otutu okpurukpu ihe di mkpa n'ihe gbasara mmekorita obodo na ike ha n'oge afo nari na ofu. Ihe di nime ihe ndia bu:

- **Enweghi mmekpa ahu.** Umunwoke ma umunwanyi nwere ike ibi ndu ha biakwasi nwee ike maka izu umu ha n'enweghi mkpari, n'enweghi aguu ma egwu mmeruahu sitere n'arurumana, ikpapia isi maobu mmegbu. Ochichi ohaneze nke gbadoro ukwu n'uche oha bu ya kasi mma n'ichedo ike niilea mmadu nwere.
- **Nhatanha:** O nweghi onye obula maobu obodo obula

a ga-egbochiri inwe agamnihu. A ga-echedo nhatanha nwoke ma nwanyi n'ihe gbasara ike niilea mmadu nwere.

- **Ijiko aka:** A ga-afu na e sooro uzo kwu oto n'ejighi mmegbu were fu maka otutu oke oru chere uwa n'ihu, kee uru ma afufu nkeoma.

- **Ileghara anya.** Ndi mmadu ga na-asopuru ibe ha, n'agbanyeghi okwukwe ndi, omenala ma asusu. Otutu adumiehe e nwere nime obodogasi ma n'etiti obodo na ibe ha abughi ihe a ga na-atu egwu maobu ihe a ga na-asuchi asuchi, kama o bu ihe a ga-ewere ka otu oke ihe uwa uwere. A ga na-akwalite isoro usoro udo na ikparita uka were eme ihe n'akuku uwa niile.

- **Inwe nsopuru n'ebe okikeuwa di.** A ga-eji akonuche were echukwa ihe niile di ndu e kere eke ma ihe niile di n'uwa ekere eke, site n'usoro iwu gbasara ifu n'enwere agamnihu agaghi adaghachi azu. O bu nani n'uzoa ka a ga-esi chedo otutu ihe oke aku nke okikeuwa nyere anyi biakwasi dote ha maka ndi ga-eso anyi n'azu. A ga-agbanworiri otutu uzo e si eme ihe ma uzo e si eri ihe ugbua, nke na-agbanyeghi maka echi, maka odinma nke anyi ma nke umu anyi n'oge odinihu.
- **Ijiko aka n'oru.** Oru di n'ifu maka nchukwa agamnihu n'uzo aku na uba ma mmepe n'uwa ma egwuotutu maka inwe udo ma nchedo n'uwa, bu oru diiri obodo dum n'uwa biakwasi buru ihe obodo na ibe ha ga-ejiko aka were me. Dika out zunarisiri mba onu biakwasi buru nke nochitesiri anya ndi ozo n'uwa, Otu Jikotara Uwa ga-eburiri orua n'isi.

7. Iji fu na e mere ihe niilea e kwuru, anyi choputara otutu ihe di oke mkpa a ga-eburu n'isi a ga-eme.

8. Anyi ga-eme ihe obula anyi nwere ike ime iji fu na agbaputara ndi be anyi na nsogbu si n'agha ma nke di nime obodo maobu nke di n'etiti obodo ma ibe ha, nke rigoro isi mmadu nde ise n'afo iri gara aga. Nkeozo anyi ga-agba mbo ka ekpochapu egwu sitere n'inwe ngwaagha ogbunigwe.

9. N'ihi ya anyi kwekoritara n'asi:

- Ka e mesie ihe gbasara na e nwere nsopuru maka iwu ike n'ebe niile ma n'obodo ma na mmekorita obodo ma ibe ha, ma tumadi, ka afu na Ndiotu Obodogasi nke Otu Jikotara Uwa na-asopuru mkpebi nke Ulioikpe nke Uwa, dika etu e sirikwu n'Akwukwo Iwu nke Otu Jikotara Uwa, n'ikpe obula gbasara ha.

- Ka e mee ka Otu Jikotara Uwa kwusie ike karia na mbu n'iru oru gbasara inwe udo ma nchedo site n'inye ya ihe niile ma ngwaoru niile o choro maka igbochido nsogbu, idozi okwu n'uzo udo, igboogu, inyeaka n'ifu na udo di ebe a lusiri ogu ma iluzi ihe niile mebiri mgbe a na-alu ogu. N'ebea, anyi na-anabata ozi etu ihe siri ga nke si n'aka Otunlebanya nke Otu Jikotara Uwa maka Oru Udo biakwasi na-ario Ogbako Oha ka o leba anya n'atumatugasi ha osooso.
- Ka e mee ka ijiko aka n'oru nke Otu Jikotara Uwa ma otutu otuebogasi siwanye ike dika ihe e dotara n'Isi nke Asato n'Akwukwo-Iwu.
- Ka a fu na Obodogasi binyere aka n'akwukwo mezuru nkwekorita niile e nwere n'otutu ihe dika ibelata onuogugu ngwaagha ma nnapu ngwaagha ma nke gbasara iwu maka oru ebere ma iwu nke otutu ike iwu nyere mmadu, biakwasi n'akpoku Obodogasi ka ha tugharia uche binye aka biakwasi tie ofo n'Iwu nke

Rome nke Uloikpe Uwa Niile maka Arurumaala.

- Ka e jikoo aka buso arurumaala nke n'esi obodo fere obodo ogu, biakwasi ka e tie ofo osooso na nkwekorita uwa niile dabaranu.

- Ka anyi jisie ike n'imezu nkwa anyi maka ilu ogu megide itu mgbere ahihia n'uwa.
- Ka anyi jisie ike n'ibuso arurumaala n'esi obodo fere obodo ogu n'uzo abula uzo, ma itu mgbere mmadu ma imibata ndi mmadu ma ibughari ego ojoo.
- Ka e belata afufu si na mmapu si n'aka Otu Jikotara Uwa n'ihe gbasara aku na uba imegide umuokpuru amaghi nke a na-ekwu, ka a na-eleba anya na mmapugasia kwa mgbe kwa mgbe biakwasi ka ekpochapu afufu si na mmapu ka o ghara imetuta obodo ihe n'ese agbasiaghii.

- Ka a gbaa mbo maka ikpochapu ngwaagha ogbunigwe, tumadi ngwaagha ikuku ojoo, nkeozo ka a ghara inwe obioyi obula maka imezu nkea, ma ihe gbasara ikpo nzuko uwa ka a choputa otutu uzo a ga-eso were kpochapu egwu sitere na ngwaagha ikuku ojoo.
- Ka e jikoo aka n'ikwusi mgbere obere ngwaagha ma ngwaagha di fecha fecha, tumadi site n'ime ire ngwaagha ka o ghara ibukabezi ihe nzorom biakwasi ikwado mkposa ngwaagha n'ebogasi n'uwa, site n'igbanye atumatu niile nke Ogbako nke Otu Jikotara Uwa maka Mgbere Ojoo nke Obere Ngwaagha ma Ngwaagha di fecha fecha.

- Ka a gwa Obodo niile ka ha leba anya maka iti ofo na Nkwekorita nke Mmabi nke Iji me ihe Nkpokoba, Mmeputa ma Mbughari Ogbunigwe nke Imeala ma

Ikpochapu ha Kpam Kpam, ma mmezi nke e nwere na Nkwekorita maka ngwaagha nkiti.

10. Anyi na-agwa Ndiotu Obodogasi ka ha sopuru Nkwekorita nke Olimpiiki, n'otu
n'otu ma site n'ijiko aka, ugbua ma n'oge odinihu, biakwasi ka a kwado Komiitii nke Olimpiiki nke Uwa na mbo niile o na-agba maka ikwalite inwe udo na nghotakorita nke uwa site n'egwuregwu ma Ihe Olimpiiki kwu na ya.

## III. MMEPE MA IKPOCHAPU IDAOGBENYE

11. Anyi agaghi ele anya n'azu n'igba mbo maka igbatopu mmadu ibe anyi ma nwoke ma nwanyi ma umuntakiri n'afufu idaogbenye nke ukwu, nke ihe kariri ofu ijeri mmadu no nime ya ugbua. Anyi kwusiri ike n'ihu na onye obula nwere ohere irite uru n'ihe gbasara mmepe ma igbatopu ndi mmadu na mkpa.

12. N'ihi nkea anyi na-ekwusi ike ka e mee ka ihe kwuru nkeoma n'obodo ma n'ebe niile n'uwa—-maka inwe agamnihu ma ka e were kpochapu idaogbenye.

13. Imezu ihe ndia e bu n'isi bu site n'inwe ezigbo ochichi nime obodo obula ka o ga-esi nwe isi ma e mekwuazi ihe ndiozo. O bu kwuazi site n'inwe ezigbo ochichi n'uwa niile ma ikwuba aka oto n'ihe gbasara ego ma usoro izu ahia ka o ga-esi nwe isi. Anyi kwusiri ike maka inwe ezigbo usoro adighi nsorom, kwu oto, iso iwu, a maara amaara ma, enweghi nkewa n'ihe gbasara izurita ahia ma ihe gbasara ego.

14. Nsogbu obodogasi n'emepe emepe na-enwe n'ihe gbasara ikpokoba otutu ihe di mkpa maka inweta ego ha ga-eji ru oru mmepe ha dineere anyi n'ute. N'ihi nkea anyi ga-agba mbo nke ukwu iji fu na ihe gara nkeoma n'Emume Nke Ukwu Nke Uwa ma nke Goomenti na Ibe Ha n'ihe gbasara Inweta

Ego maka Mmepe, a ga-enwe n'afo 2001.

15. Anyi kwenyekwuaziri na anyi ga-eleba anya n'otutu mkpa puru iche nke otutu obodo danarisiri ogbenye. Na nkea, anyi na-anabata Ogbako nke Ato nke Otu Jikotara Uwa maka Obodogasi Danarisiri Ogbenye nke a ga-enwe n'onwa ise n'afo 2001 biakwasi anyi ga-agba mbo ka o gaa nkeoma. Anyi na-akpoku obodo niile mepere emepe:

- Ka ha nwee, ma o buru na o ga-ekwe mee, iwu ga-eme ka a na-ebubata n'ala ha ahia si n'obodogasi dararisiri ogbenye n'enweghi mgbochi obula;

- Ka ha mezuo ihenkwadobe e nwere maka ibelata oke ugwo nke otutu obodo dara Ogbenye ji n'atufughi oge biakwasi ka ha kwenye ikagbu ugwo niile goomenti nke ndi ala ahu dara ogbenye ji goomenti ha ma o buru na obodo ndi ahu egosi ihe ha na-eme maka ibelata idaogbenye n'ala ha;

- Ka ha nyekwuo onyinye enyemaka maka mmepe, tumadi maka otutu obodo n'agba ezigbo mbo iji ihe ha nwere were n'eme ka e belata idaogbenye.

16. Anyi kwusikwara ike ileba anya n'uzo abula uzo ma n'uzo zuru oke n'ihe gbasara nsogbu otutu obodo dara ogbenye ma obodogasi no n'etiti, site n'otutu ihe e nwere ike ime iji me ka ha nwee ike ikwu ugwo ha n'oge odinihu.

17. Anyi kwekorita kwuaziri ka eleba anya maka otutu mkpa nke otutu obere obodo n'emepe emepe ndi mmiri gbara gburugburu site n'imezu Ihe A kwadobere A ga-eme nke e kwuru na Barbados ma ihe putara na nzuko nke iriabuo na abuo nke Ogbako Oha osooso. Anyi na-agwa uwa ka ha fu na, a na-egosi etu idaogbenye siri di, ka a na-agbanye otutu mkpa nke umuobere obodo n'eme emepe mmiri gbara gburugburu.

18. Anyi maara maka otutu mkpa puru iche ma otutu nsogbu nke obodogasi n'emepe emepe enweghi osimiri, biakwasi na-

agwa obodogasi ma otugasi di n'uwa n'enye enyemaka ka ha welite aka n'enyemaka maka ndiala di etu ahu n'uzo ego ma uzo oruaka ka ha were nwee ike imezu otutu ihe di ha mkpa maka mmepe biakwasi were nyere ha aka n'imeri mmekpa ahu sitere n'etu ala ha di site n'ime ka uzo ugbo ha diwanye mma.

Anyi kwetakwuru:

- Ka e belata okara n'afo 2015, onuogugu ndi mmadu ihe ha na-apu n'ubochi penarili ofu dollar biakwasi ma onugugu ndi aguu na-agu nkeozo, n'ofu oge ahu, ka e belata okara ndi mmadu enweghi ike nweta maobu gota ezigbo mmiri onunu.
- Ka afu na, n'ofu oge ahu, umuntakiri ebeobula, umuntakiri nwoke ma umuntakiri nwanyi, ga-enwe ike igucha akwukwo n'obere uloakwukwo biakwasi na umuntakiri nwoke ma umuntakiri nwanyi nwere nhatanha n'ohere igu akwukwo etu masiri ha ma akwukwo ukwu ma akwukwo nta.

- N'ofu oge ahu, onuogugu umunwanyi n'anwu n'imu nnwa ghara ikari ofu ebo nime ebo ano n'ihe muru nnwa, nkeozo ka umuntakiri di afo ise n'anwu ghara ikari ofu ebo nime ebo ato n'umuaka di afo ole ahu.

- N'oge ahu, ka a kwusi biakwasi malite ikpochigha azu mgbasa oria ONYIRIDIBIA (HIV/AIDS), oria iba ma otutu oke oria ndi ozo n'enye uwa nsogbu.

- Ka e nye umuntakiri ndi enwenne enwenna sitere n'oria ONYIRIDIBIA (HIV/AIDS) enyemaka puru iche.
- N'afo 2020, ka e nwee ike nwee ezigbo ihe mgbanwo na ndu na o peka ndi onuogugu ha bu ofu nari nde ndi bi n'ebe umuokpuru n'ebi dika etu e siri kwu n'ihe a ga-eme maka "Obodogasi Mepere Emepe Enweghi

Ebe Bu Ebeobibi Maka Nani Umuogbenye."

20. Anyi Kwetakwara:

- Ka e nwee nhatanha oke na nwunye ma ime ka umunwanyi nwee onuokwu dika otutu uzo a ga-esi were meri idaogbenye, aguu, ma oria biakwasi ka a kwalite mmepe nke ga-ato ato n'ezie.

- Ka e zoputa biakwasi mezue otutu ihe nwere ike ime ka umuokorobia ma umuagboghobia no n'ebe obula nwee ike inweta ezigbo oru.
- Ka a gbaa ndi uloaku n'emeputa ogwu ume ka ha n'emeputa ogwugasi di mkpa ga-erutu ndi mmadu choro ha aka biakwasi di oruala nime obodogasi n'emepe emepe.

- Ka e nwee ijikoaka nke ndi otu ochu aku na uba na ndi nkiti n'obodo maka iru oru mmepe obodo ma ikpochapu idaogbenye.
- Ka a fu na otutu uzo ohuru e so eme ihe, tumadi uzo nke ozi na mmekorita, dika etu e siri kwu n'atumatu di nime ECOSOC 2000 nke ndi Miniistasi kwuru, ruturu onye obula aka.

## IV. ICHEDO GBURUGBURU ANYI

21. Anyi agaghi ele anya n'azu n'ihe gbasara igbatopu uwa niile, ma tumadi umu anyi ma umuumu anyi n'aka egwu di n'ibi n'uwaa mebiri emebi n'otutu ihe ndi mmadu na-eme, nke ihe dinu enwezighi ike igboro ha mkpa ha.

22. Anyi na-ekwunwe nkwado anyi na-enye maka okpurukpu iwu gbasara mmepe kwusiri ike, ma nke e dotara n'Agenda 21, nke e kwekoritara na ya n'Ogbako nke Otu Jikotara Uwa maka Gburugburu ma Mmepe.
23. N'ihi ya anyi kwekoritara na anyi ga-eso n'ihe niile gbasara

gburugburu usoro ohuru maka nchedo ma nnekwa ihe di n'elu uwa biakwasi, dika usoro izizi, anyi kwekoritara:

- Ka a gbaa mbo n'uzo abula uzo maka mmalite oru nke Nkwekorita nke Kyoto, O buru na o ga-ekwe me ka o buru n'oge ncheta nke iri nke Ogbako nke Otu Jikotara Uwa maka Gburugburu ma Mmepe nke a ga-enwe n'afo 2002, biakwasi ka a malite ibelata igbanye ikuku ojo n'eluigwe.

- Ka anyi jikoo aka gbaa mbo maka nchukwa, nchedo ma ndozi otutu ohia di iche iche.

- Ka e kwusibe ike ka e mezue Nkwekorita gbasara Ihe niile Di Ndu Di Iche Iche ma Nkwekorita maka Ikwusi Alaikpa n'Obodogasi N'enwe Nnukwu Nsogbu sitere na Mmiri Ezoghi ma/maobu Alaikpa idinu, tumadi n'Africa.

- Ka a kwusi ina ihe niile di na mmiri n'iyi site n'izoputa otutu usoro nchukwa mmiri n'ebo, n'obodo ma nime ogbegasi, nke ga na-eme ka onye obula nweta ihe o choro n'enweghi **mmegbu**.

- Ka a gbaa mbo ka ijiko aka n'agawanye n'iru ka e were belata onuogugu ma afufu si na mberede n'adaputa ma nke si n'okechi ma nke si n'aka mmadu bia.
- Ka a fu na onye obula nwere ike inwe ozi mmuta n'ihe gbasara ahu ma agbo mmadu.

## V. OTUTU IKE IWU NYERE MMADU, OCHICHI OHANEZE MA EZIGBO OCHICHI

24. Anyi agaghi ele anya n'azu n'igba mbo maka inwe ochichi ohaneze ma ime ka otu iwu n'achi mmadu dum n'asoghi anya, ma inwe nsopuru maka otutu ike ma ohere uwa kwuru ka mmadu nwee, ma ike maka agamnihu.

25. N'ihi ya anyi kwekoritara:

- Ka a sopuru biakwasi nabata otutu Ike Uwa Kwuru Ka Mmadu Nwee.

- Ka anyi na-agba mbo maka ichedozu ma ikwalite n'obodo niile ike niile ma nke sitere n'obodo, ndorondoro, aku na uba, mmekorita ma omenala.
- Ka e mee ka ume obodo anyi niile siwanye ike maka imezu otutu iwu ma usoro nke ochichi ohaneze ma inwe nsopuru maka otutu ike iwu nyere mmadu ma ike nke ndi di mpe n'onuogugu.
- Ka a kwusi imanye umunwanyi ogu n'uzo abula uzo biakwasi ka e mezue Nkwekorita nke Nkpochapu Nkewa Niile Megidere Umunwanyi.
- Ka e mee otutu ihe kwesirinu ka e were nwee nsopuru maka nchedo ike iwu nyere ndi biambiri, ndioru si ala ozo ma ngwuru ha, ka e kpochapu nkewa niile si n'udi akpukpo aru ma ikpoasi n'ebe ndi mba no di nime otutu obodo biakwasi ka a kwalite nghotakorita ma udo ma ileghara anya n'orusi ndi mmadu n'obodogasi.
- Ka a gbaa mbo maka inwe usoro ochichi ga-anabata onye obula, nke ga-eme ka ndiala niile nime obodo niile sonye n'ihe a na-eme.

- Ka a fu na otu orumgbasa ozi ma akuko nwere ohere iru oru ha di oke mkpa biakwasi ka ohaneze nwee ohere inweta ozi n'enweghi mmekpaahu.

## VI. ICHEDO NDI ENWEGHI IKE ICHEDO ONWE HA

26. Anyi agaghi ele anya n'azu n'ifu na umuntakiri ma ndi nkiti niile ndi na-ata afufu karia na nkwukwu sitere n'otutu okechi, mkpochapu-ebo, agha ma mberede ndi ozo nwere ike inweta enyemaka obula ma nchedo ka ha were nwee ike imalitekwa ndu ha nkeoma n'oge n'adighi anya.

# 2

## ANYI BU OHANEZE
## ORU NKE OTU JIKOTARA UWA
## N'OGE NARI IRI ABUO NA OFU

Ozi si n'aka Odeakwukwo Oha Maka Ogbako Oha
Nke Ogeafopuku Otu Jikotara Uwa N'ichafu

## ANYI BU OHANEZE
## ORU NKE OUT JIKOTARA UWA
## N'OGE AFO NARI ABUO NA OFU

Ghotara na mbanye oge afo nari ohuru bu oge puru iche maka iji were kapiba onu biakwasi cheputa uzo ohuru maka agamnihu nke Otu Jikotara Uwa n'oge ohuru a, Ogbako Oha nke Otu Jikotara Uwa kwekoritara kwuo n'onwa nke irinabuo n'afo 1998 na a ga-akpo nzuko nke iriise na ise ya, ga-ebido n'ubochi nke ise n'onwa Iteolu n'afo 2000, dika Ogbako Oha nke Ogeafopuku. O kwekoritarakwuazi na a ga-enwe Ogbako nke Ogeafopuku, nke ga-ebido n'ubochi nke isii ruo ubochi nke asato n'onwa Iteolu n'afo 2000.

N'ikwadobe maka Ogbako ahu, nke a na-atu anya na o ga-abu ogbako kasinu ebe ndi isiala obodogasi ma Goomenti ga-agbakoba, Kofi Annan, nyabu Odeakwukwo Oha nke Otu Jikotara Uwa weputara Ozi ya Nke Ogeafopuku n'ubochi nke ato n'onwa nke ano n'afo 2000. Ozi ahu, a kporo "Anyi bu Ohaneze: Oru nke Otu Jikotara Uwa n'Oge Afo Nari abuo na Ofu", na-egosi uzo a ga-eso were mee ka uwaibuofu gaa nkeoma maka mmadu dum n'ebe niile. Uzo kacha mma zuo oke n'igosi ihe bu oru nke Otu Jikotara Uwa n'afo iriise na ise o noorola, o bu otutu ihe a ga-eme ma otutu oru a ga-aru nke Odeakwukwo Oha na-agwa ndiochichi n'uwa ka ha leba anya. E dere otutu ihe ndia na mkpirisi n'okpuru ebea: Afo Nari ohuru, Orugasi siri ike.

Ogeafopuku ohuru, ma Ogbako nke Ogeafopuku, nyere ndi mmadu no n'uwa ohere puru iche iji wee che echiche maka ihe jikoro ha onu n'uwa, mgbe ihe jikoro ha onu ka nku karia etu enwebeghi mbu. Ha na-elekwasi ndiisi ha anya ka ha choputa biakwasi fu maka otutu oru ike di n'ihu. Otu Jikotara Uwa nwere ike inye aka n'ifu maka otutu oru ike ndi ahu, ma o buru na Ndiotu ya ekwekorita n'ofu ihe n'uzo ohuru a ga-eso were a ru oru ya. Ihe a malitere ka e were nwee usoro ohuru na mmekorita

obodo na ibe ha n'uwa n'afo 1945. Otu Jikotara Uwa kara me nkeoma n'otutu uzo ufodu karia ndi ozo. Nkea bu ohere iji mezi Otu Jikotara Uwa ka o were nwee ike wetara ndi mmadu ihe mgbanwo ohuru e nwere ike irutu aka na ndu ha n'afo nari ohuru a banyere.

**Uwaibuofu ma Ochichi**

Ototu uru uwaibuofu bara doro anya: iganihu osooso karia etu o di na mbu, ndu uto karia etu o di na mbu, otutu ohere maka iganihu. N'agbanyeghi nkea nsogbu adaputala n'ihi na ototu uru ahu eputughi obodo niile, biakwasi ahia uwa dum enwebeghi otutu usoroochichi n'egosi otutu ihe ekwekoritara na ha.

N'afo 1945 ndi toro ntoani Otu Jikotara Uwa malitere ihe abughi ihe nzizo maka uwa niile. Ihea ruru oru nkeoma, biakwasi mee ka uwaibuofu malite. N'ihi ya anyi bi n'ofu ogbe n'uwa ugbua. Ihu maka ihe nkea putara bu ihe chere ndiochichi n'uwa taata. N'uwa ohurua, otugasi ma otutu ndimmadu no n'akuku uwa di iche iche n'ofu n'ofu na-emekorita, n'akpobataghi ndi goomenti obodo. Otutu uzo ohuru e so eme ihe weputara otutu ohere ohuru maka inwe nghotakori ma imeko ihe onu. Mana e nwere ihe egwugasi. Otutu aruruala, mgbere ahihia, ndiiga, mmebi ikuku na mmiri, oria, ngwaagha, ndi na-agba oso ndu ma ndi njem na-abanye obodogasi osooso karia etu o di na mbu biakwasi karia n'onuogugu ma e sijie etu o dibu gboo. Otu ihe n'eme n'ala ozo na-emewa ndi mmadu no n'ala ozo. Ha matakwara maka mmegbu ma akaike e nwere n'otutu ala di anya karia etu ha maara na mbu, biakwasi na-atu anya na otutu goomenti n'obodogasi ga-eme ihe banyere ihe ndia. O buru na anyi ga-enweta okasimma site n'uwaibuofu biakwasi gbachara oke okechi, anyi ga-amuriri ka e si achi nkeoma karia na mbu, nkeozo etu e si ejiko aka were achi.

Nke ahu abughi inwe goomenti nke uwa dum maobu

ikpochapu inwe obodogasi. Kama, otutu obodo kwesiri ka e mee ka ha kwusiri ike. Ha nwere ike ikuiri ibe ha ume, site n'ijiko aka onu were eme ihe n'ofu ebe site n'isoro otutu usoro ha kwekoritara na ha. Etu o si na-adi, otuoruahugasi ga na-eme ihe etu ihe siri kwuru n'oge ugbua. Biakwasi ha ga-abu uzo ndi goomenti obodogasi na ndi otu uloakugasi nwere mbanagasi n'akuku uwa nwere ike isoro jikoo aka n'aru oru. N'ototu oge ha nwere ike inweta enyemaka si n'uzo usoro a kapibeghi onu, nke nwere ike ime ihe osooso dika etu ihe si agbanwo n'uwa.

Aku ezughionu nime uwa ugbua, okwa ogbenyeonuntu nke ihe kariri mmadu ijeri no nime ya, ogbaagharagasi di n'ufodu ebogasi; biakwasi mmetosi nke na-eme osooso na gburugburu uwa chi kere: ihe niilea jikoro aka na-eme ka etu e siri kwado maka mmepe uwa ghara ibu ihe ga-enwe isi, beere so ma o nwere otutu ihe mmezi e mere site n'inwe nkwekorita. Ajuju nchoputa ihe di na mmuo ndi mmadu e were n'ebo isii n'uwa - ndi bunarisiri ibu n'onuogugu - kwukwara na otutu udi ihe ahu bu ihe ndi mmadu choro.

"O bu ezie na Otu Jikotara Uwa bu otu obodo di iche iche di na ya, e dere Akwukwo Iwu ahu n'afa anyi bu ohaneze,...N'isinjedebe, n'ezie, Otu Jikotara Uwa bu maka, nkeozo o ga-egboriri mkpa, biakwasi menite mmuo ndimmadu n'ebe obula."

**Nkeonye akonaya: Ihe A Ga-eme Maka Mmepe**

N'afo iriise gara aga e nwere nnukwu agamnihu ahubeghi mbu n'uzo aku na uba. Mana onuogugu ndimmadu ofu ijeri na puku nde nari abuo bu ihe penarili ego ofu dola ka ha na-eririri n'ofu ubochi. Oke idaogbenye ma enweghi nhatanha nke di n'etiti obodogasi, ma nke di nime otutu obodo, bu ihe chere uwa ndum n'ihu. O mekwuaziri otutu nsogbu ka ha diwanye njo, nke ogbaaghara so nime ha. Nkeozo onuogugu mmadu no n'uwa na-abawanye osooso, nime ya o bu n'obodogasi danarisiri

ogbenye ka mbawanye onuogugua kachasi, ikpochapu afufu idaogbenye bu oru chere anyi n'ihu. Anyi agaghi ekwe ka anyi ghara imeri ya.

A na-ario Ndiisiala maobu Goomenti ka ha mee ihe n'akuku uzo ndia:

**Idaogbenye**: Ime ka okara n'umuuwa (ugbua ha bu ofu ebo nime ebo ise) ndi ego ha na-enweta n'ubochi penariri ofu ego dola nwee ezigbo ihe mgbanwo na ndu ha n'afo 2015.

**Mmiri**: Ime, n'afo 2015, ka okara nime umuuwa ndi enweghi ezigbo mmiri onunu (ugbua ha di ofu ebo nime ebo ise) nwee ezigbo mmiri onunu.

**Mmuta**: Ikwadosi ike n'afo 2005 maka ibelata oghere di-n'etiti oke na nwunye n'ihe gbasara mmuta si n'obere uloakwukwo ma nke koleji, nkeozo ifu na nime afo 2015 na umuntakiri niile ga-enwe ike igucha akwukwo n'obere uloakwukwo kpam kpam.

**Ahuike ma Onyiridibia (nyaabu HIV/AIDS)**

Ikwusi ma imalite idochigha azu mgbasa onyiridibia n'afo 2015 site na:

- Ime ya ka ihe a kporo oru ibelata mgbasa onyiridibia n'etiti ndi mmadu di bido n'afo irinaise ruo afo iriabuo

- Site na ibelata tupu afo 2005 ofu ebo nime ebo ano ume oria ahu nime obodogasi okasi enye nsogbu, biakwasi belata ofu ebo nime ebo ano ume oria ahu n'uwa dum tupu afo 2010.

- *Ikabiba onu otutu ihe mgbochi*: ihe dika na o peka ebo iteolu nime ebo iri n'ihe dika afo 2005, biakwasi n'ihe dika afo 2010 na o peka ihe dika ebo iteolu na okara nime ebo iri, umuokorobia ma umuagbohobia ga-enweriri ohere maka inwe ozi ma mmuta n'ihe gbasara uzo nzeregasi n'ihe gbasara ibute oria onyiridibia.

Maka obodo niile o na-enye nsogbu nke ukwu, na e nwere

ihe obodo kwadobere a ga-eme nime ofu afo e jiri nocha Nzuko.

O di mkpa na e nwere ihe nchoputa n'ihe gbasara otutu nsogbu gbasara ahuike nke
metutara ebo iteolu nime ebo iri n'uwa, dika iba, ukwaranta, okengu ma otoro.

**Ibulite Okwa ebeobibi ndionyiri**:

Ikwado ma ime ihe gbasara nkwadobe e nwere maka "*Obodogasi mepere emepe n'enweghi Ebeobibi ndionyiri*" nke Banki Uwa ma Otu Jikotara Uwa malitere iji me ka ndu ndi bi n'ebeobibi ndionyiri nwee mgbanwo maka agamnihu n'afo 2020.

**Ima Akwagasi Maka Mmekorita Site n'Ikuku**:

Ilebe anya n'iwugasi ma usorogasi nke obodogasi iji wepu iwu mgbochi ma onuahia n'ihe gbasara Intaneti (ihe ohuru e zoputara eji e si n'ikuku na-emekorita ihe), ka e wee fu na o nweghi ndi e gbochiiri irite uru sitere n'oke ihe mgbaawo ohuru e zoputara n'uwa isi n'ikuku emekorita.

**A na-agwa obodogasi huru uzo**:

**Ohere izurita ahia**: ka ha meghee uzo ka ngwaahia si obodogasi dara ogbenye nwee ike ibata n'ala ha - nkeozo, dika ihe izizi, idi njikere ime ka ngwaahia si obodogasi n'emepe emepe no n'Ogbako nke Otu Jikotara Uwa n'ihe gbasara Obodogasi Danarisiri Ogbenye n'onwa ato n'afo 2001.

**Ibelata Ugwo**: Imezu n'atufughi oge mbanwanye nke nkwadobe e nwere maka ibelata ugwo nke Obodogasi Dara Ogbenye Ji Ugwo Nke Ukwu e kwekoritara n'afo gara aga, biakwasi idi njikere maka ikagbu ugwo niile nke obodogasi dara ogbenye ji ugwo nke ukwu, mana obodo ndi ahu ga-adi nkwadobe igosi ihe ha ga-eme maka ibelata idaogbenye n'ala ha. N'oge odinihu, a ga-acho uzo ohuru a ga-esiji, nke ihe ga-adi nime ya ga-abu: ikagbu kpam kpam ugwo obodogasi nwere nnukwu nsogbu maobu oke odachigasi; ikwe ka obodogasi sonye n'irite uru n'ihe a kwadobere maka

Obodogasi Dara Ogbenye Ji Ugwo Nke n'ihi nani na ha dara ogbenye; ime ka nkwughachi ugwo gbado ukwu n'ego one e nwetara site na nzukorita ahia obodo na ibe ha; nkeozo idote usoro a ga na-eso maka idozi okwu n'ese site n'ugwo e ji.
**ODA**: Igbasa aka nye enyemaka maka mmepe, tumadi maka obodogasi na-agba ezigbo mbo maka ibelata ida ogbenye n'ala ha.

**Onyiridibia (HIV/AIDS):**
Oha na ndi n'emeputa ogwu na ndi ozo ijiko aka n'imeputa ogwu nwere ike igwo oria onyiridibia ma ime ka ogwu ndi ozo metutara onyiridibia lutu otutu obodo n'emepe emepe aka
**Ma Africa**: ka e nwee nkwadobe puru iche maka mkpa Africa, biakwasi ka e nyere ndi Africa aka zuru oke na mbo ha na-agba maka imeri otutu nsogbu ha nwegasiri.

**Enweghi Egwu:** Ihe a ga-eme maka Nchekwaba
Ogugasi ida n'etiti obodogasi na-ebelata. Mana nime afo iri gara aga ogugasi di nime obodo eriela isi mmadu kariri nde ise, biakwasi chupu otutu onuogugu mmadu kariri onuogugu ahu na be ha. N'ofu aka ahu, ngwaagha ogbunigwe ka n'eme ka ndi mmadu noro n'egwu. Ihe a na-akpo nchekwaba nke ihe o lolu bu ichebe obodo maka ogu siri ala ozo bia—-na - agbanwo n'acho ibu ichekwaba obodogasi ma ndi mmadu n'ogbaaghara si nime obodo. A ga-ejikere maka egwu dinu maka nnukwu nsogbu.

**Mgbochido**: Nsogbugasi n'afo iri gara aga na-emekebe n'otutu obodo dara ogbenye, tumadi ebe e nwere nnukwu ihe di iche n'etiti ebogasi maobu otugasi nwere okwukwe di iche iche. Uzo kachasi mma n'igbachidota ha bu site n'ikwalite inwe ezigbo agamnihu zuru oke n'uzo aku na uba, biakwasi tukwasi ya inwe otutu ike iwu nyere mmadu, ma ike iwu nyere ndi umuokpuru ma uzo ochichigasi ebe otu di iche nwere ndi nnochite anya. Nkeozo, ibupu ngwaaghagasi, ego maobu ihe eji apu ego bu ihe

a ga-eme ka ha puta ife.

**Ichedo Ndi Umuokpuru:** A ga-achoputa uzo ohurugasi a ga-eso were emezu ihe e kwuru n'iwu metutara obodo na ibe ha ma otutu ike iwu nyere mmadu, biakwasi ka a kwusi ime mpu. Ileba anya maka mgbangwoju anya nke si n'igboogu. O nwere ndi na-ekwu na "igboogu nke si n'obi ebere" nwere ike ibu uzo isi were si nzuzo maba nime okwu n'ese nime obodogasi nweere onwe ha. Ma n'ezie o nweghi iwu—bunadi inweonwe - ka a ga-eji were zobe ihe ojoogasi megidere umu mmadu. Iso uzo agha sitere n'ike Otu Nchekwata nyere were maba n'okwu n'esenu ga-aburiri uzo ikpeazu e nwere ike iso, ma a bia n'ihe gbasara igbusi si ndi mmadu n'igwe, o bu uzo a ga-esoriri.

**Ime ka orugasi a na-aru maka inwe udo siwanye ike:**
A na-akpoku Ogbako Oha nke Ogeafopuku ka ha tunye onu n'otutu atumatu si n'aka otu di ukwu nke Odeakwukwo Oha nyere oru ka ha lebe anya n'akuku niile n'ihe gbasara oru inwe udo.

**Ikapiba Itaba afufu onu:** Itaba afufu n'uzo aku na uba anaghi akpa oke; otutu oge ha na-ebute afufu n'emetuta ndi amaghi ihe a na-ekwu biakwasi ha anaghi enwe isi. A choro otutu atumatu ohuru n'aka ndi obodogasi bu Ndiotu tumadi Otu Nchekwata n'ihe a ga-eme iji me ka inye afufu ruo oru "karia".

**Obere Ngwaaghagasi:**
Odeakwukwo Oha akpokuo Ndi obodogasi bu Ndiotu ka ha mesie ike ikwusi mbufe ngwaagha, tumadi site na:

- Ime ka a mara ihe n'aga n'ihe gbasara mbufe ngwaaghagasi.
- Ikwado otutu ihe a ga-eme gbasara ikposa ngwaaghagasi, dika ikwusi ibubata, izipu ma imeputa umu obere ngwaagha n'odidaanyanwu Africa.

  Imebe n'akuku ndiozo - tumadi n'otutu oge a nusiri ogu - otutu ihe gbasara "ngwaaghagasi maka ngwaahia" nke ruru

oru nkeoma na Mozambique, Panama. El Salvado na Albania.

**Ngwaagha nke ikuku ojoogasi:** A na-agwa Ndi obodogasi bu Ndiotu ka ha kwekwa nkwa ozo n'ibelata egwu dinu ma nke si na ngwaagha ikuku ojoogasi dibu adi ma ibawanyekwu ha, biakwasi tumadi ilebe anya n'ihe gbasara ikpo nzuko nke uwa ka a choputa otutu uzo a ga-eso were kpochapu egwu si n'inwe ngwaagha ikuku ojoo.

**Odinihu nke ga-akwudo akwudo:** Ihe a Ga-eme maka Ghurugburu Uwa

Ugbua oha ka o diiri oke mkpa ifu na a kwadobeere agbo ga-abia n'ihu maka inwe ike ibi ndu nkeoma n'uwaa—- ma anyi adighi eme nkea. Anyi na-emebisi ihe ekpe umuanyi ga-erite were ya na-eme ihe enweghi isi. Igbanwo nke bu ihe chere obodo niile n'ihu - ma obodo ogaranya ma obodo dara ogbenye. Ogbako e nwere na Rio n'afo 1992 toro ntoalagasi, biakwasi Nkwekorita nke e nwere n'obodo Montreal maka otutu ihe n'emebisi ochendo (ozone) n'eluigwe bu ihe di mkpa e mere. Ma n'ebe ndiozo otutu ihe anyi meerela pere mpe biakwasi e meghi ha n'oge. Tupu e nwee Rio + 10 n'afo 2002, Ndiobodogasi bu Ndiotu ga-amalite mgbaghasi ahu biakwasi kwadobe maka ime ihe a kapibara onu n'otutu uzo ndia: Ima ihe a ga-eme banyere mgbanwo uwa n'ihe gbasara mmiri na okpomoku:

Ibelata egwu di maka inwe oke okpomoku n'uwa dum choro na a ga-ebelata uzo isii nime iri igbanye anwulu ojoo ma "*anwulu ojoo si n'ulooruga*" (greenhouse gases). E nwere ike ime nkea site n'ikwalite ime ka a ghara ila okuejiaruoru (energy) n'iyi biakwasi soro otutu uzo ozo e si enweta okuejiaruoru weren'emekari ihe. Ihe izizi a ga-eme bu iti Nkwekorita nke Kyoto ofo, ka a malite iji ya ruba oru bido n'afo 2002, biakwasi fu n'emezuru ihe e bu n'isi were nwee nkwekorita ahu.

**Ifu maka nsogbu di n'inwe mmiri:** Ozi ahu gbasara etu ihe siri ga na ekwu ka a na-abata ihe e kwuru n'Ogbako Uwa Maka

Mmiri nke Ndi Minista nwere: Ka a fu na okara onuogugu ndi mmadu e nweghi ezigbo mmiri onunu nwetara ezigbo mmiri tupu afo 2015. Yabu ozi n'ekwukwasi ka e nwee *"Nnukwu Ihe Mgbanwo N'iko Nri"* nke ga-eme ka ala imeputa nri bawanye n'ihi mmiri obula e tinyere n'ala maka izu ala, biakwasi n'eme ka nchukwa otutu ebe mmiri si abia ma etu ebe mmiri si aga na-aga nkeoma.

**Ichedo ala:** Nchekwube kasi mma maka inye uwa nri n'abanwanye abawanye n'onuogugu n'ebe ala iko nri n'ebelata ebelata bu n'ihe gbasara mmuta ohuru n'uzo ichukwa mkpuru osisi ma anumanu ka o di, mana a na-enwe oke mgbaghasi n'ihe gbasara ihe uzo mmuta ohurua nwere ike iputa n'ihe gbasara ahuike ma gburugburu uwa. Odeakwukwo Oha na-akpo nzuko ga-ezoputa okpurukpu uzo a ga-eso ka e were fu n'ekwekoritara, ka umuogbenye ma ndi aguu ghara ita ntu.

**Ichedo ohia, azu no na mmiri ma ndu osisi ma anumanu:** N'akuku ndia niile, ifu na a naghi ihe di mkpa n'iyi. Ndi Goomenti ma ndi abughi goomenti ga-ejiko aka were kwado ya.

**Ikwado Uzo Ohuru Maka Nchukwa:**

Ndimmaduga, ma ndi Goomentigasi, ga-ejikere onwe ha kwado ihe gbasara usoro ohuru n'uzo ichukwa. Odeakwukwo Oha tuputara atumatu uzo ano di oke mkpa obodogasi ga-eso:

- Ikuziri ohaneze

- Iji mgbako nke akwukwo ndu were tinye gburugburu n'ihe gbasara usoro a ga-eso n'ihe gbasara aku na uba.

- Inwe iwugasi ma otutu ihe nkwalite n'uzo aku na uba dika "taakisi akwukwo ndu" ma ibelata enyemakagasi.

- Ime ka enweta ihe nchoputa n'ihe mmuta, n'ikapiba onu tumadi ikwado ma isonye na Nnyocha Gburugburu Uwa N'ogepuku, oke njikoaka uwa n'izoputa ihe a ga-eme maka ahuike uwa.

**Ime Ka Otu Jikotara Uwa Malite Ndu Ohuru**

E nweghi Otu Jikotara Uwa kwusiri ike, imezu ihe niile a e kwuru ga-ara ahu karia. Ime ka Otu Jikotara Uwa kwusie ike bu n'aka Goomentigasi ka o di, ma tumadi na ha nwa ikwenye n'ijiko aka ha na ndiozo—-ndiotu ochuaku na uba, otugasi abughi goomenti, ma otugasi metutara obodogasi—-iji nwe nkwekorita n'ihe a ga-emegasi. Otu Jikotara Uwa ga-aru oru dika onye bu uzo bu ihe n'isi, iji were melite mmuo ndi ozo n'ime ihe.

Nkeozo iwu bu na o ga-esoriri usoro ohurugasi e zoputagasiri were eme ihe, tumadi nke gbasara mgbasa ozi. Odeakwukwo Oha na-atuputa atumatu ka e mee ihe n'akuku ndia.

**Imata Ebe Ike Anyi Kasigasi**:

Nsopuru nke Otu Jikotara Uwa nwere esiteghi n'aka ike kama na o bu site n'ihe o bu na mmuo ndi mmadu, oru ya n'inyeaka izoputa ma ihu na a na-edobe otutu ihe na-achi uwa, ike o nwere n'imelite mmuo uwa ka **uwa mee** ihe; ma ntukwasi obi o nwere site n'oru a huru anya o na-**aru iji** were mee ka ndu ndimmadu nasowanye uso. Anyi ga-agbado ukwu n'otutu ike ndi ahu, tumadi idinekwu etu o siri di mkpa iso iwu n'asoghi anya n'onye ukwu maobu onye nta. Mana o di mkpa na anyi gbanworo Otu Jikotara Uwa, tumadi idozi Otu Nchedo ka o were nwee ike iru oru nkeoma were kwa n'enweta nsopuru zuru oke. Nkeozo anyi ga-abawanye mmekorita nke Otu Jikotara Uwa na otugasi di n'obodo, ma ndiotu ochuaku na uba ma otutu otu ndienyemaka.

"Umu uwa na-agwa anyi na otutu ihe anyi ruputara n'oge gara aga ezughi, ma o buru na esijie otutu oke ihe chere anyi n'ihu. Anyi ga-aru karia etu a rugolu, nkeozo anyi ga-aru ya nkeoma karia na mbu."

Anyi ga-etinyekwu ihe n'ihe otutu otu n'aru oru na-eme

site n'ijikogasi otutu usoro e si eme ihe, ikpokoba otutu otu n'aru oru n'uwa, ndiobodo ma ndi ochuaku na ubagasi ma goomenti obodogasi, nime otu ihe anyi dum bu n'uche.

Mmekorita site n'uzo enwere ohuru n'ikuku. Anyi ga-ewere uzo ohuru e si ezisia ozi were mee ka Otu Jikotara Uwa na-aru oru nkeoma karia etu o di na mbu, biakwasi mee ka mmekorita ya na uwa niile di mma karia etu o di na mbu. Odeakwukwo Oha na-agwa ndi ochuaku na uba n'ihe gbasara izisia ozi ka ha nye aka mee nkea.

Ime ka ihe mgbanwo ahu ji nwayoo n'aga n'ihu. Imezu orugasi chere n'ihu n'afo nari iri abuo na ofu choro na a ga-enwe usoro ohuru a ga-eso were eme ihe, nkwekorita n'ihe di mkpa doro anya n'etiti Ndiotu Obodogasi di na Otu Jikotara Uwa, belata oke nnyocha n'etu e si aru oru kwa mbosi kwa mbosi. A na-atu anya na Ogbako Oha nwere otutu ihe o ga-ekwu a ga-eme - iji ma atu ka o tinye "ihe gbasara odida anyanwu" n'oru ohuru a ga-ezu biakwasi ka a malite inwe usoro iji ego ru oru ga na-egosi ihe a ruputara.

**Otutu ihe a ga-amalite ozigbo:**

Iji ma atu udi ijikogasi aka nke Otu Jikotara Uwa nwere ike ime ka ha malite, Odeakwukwo Oha zoputara uzo ihe ano n'ozi ahu. Otu ndi weputara onwe ha maka iru oru enyemaka, a naakpo Ndioru nke Uwa, nyabu United Nations Information Technology Service (UNITeS), ka ha na-azu ndi mmadu n'obodogasi n'emepe emepe n'ihe gbasara etu esi eji ma otutu ohere di isoikukuagbasaozi (nyaabu Internet) ma usoro eji agbasa ozi.

- Oru Ahuike Esoikuku Were Aru, Ka a malite ebe puku iri n'uloogwugasi nime obodogasi n'emepe emepe nke ga-eme ka a na-amata ihe n'aganu n'ihe gbasara ahuike. Ndiotugasi kwadoro ihe a a na-ekwu bu Web Foundation, Otu Uwa Maka Ahuike, Otu Enyemaka nke Otu Jikotara Uwa ma ndiotu ha

ndiozo.

- Ihe a ga na-eme mgbe oria malitere, *"Ihe Izizi n'elu Ala"*, nke ga na-enye telefonu nke a na-eji n'aka ma nke n'eso ikuku ma usoro ikuku ndiozo ga-enyere ndi oruebele aka n'iru n'otutu ebe nsogbu daputara. Ndi ga-abu ndiisi n'orua bu ndi uloaku a na-akpo Ericson ndi na-aru oru mgbasa ozi, ndi ozo ga-eso bu ndi ha na Otu Jikotara Uwa n'aru oru ma ndiotu Obe Mmee Mmee nke Jikotara Uwa (nyaabu International Federation of Red Cross) ma ndiotu Odika onwa Ohuru Mmee Mmmee (nyaabu Red Crescent Societies).

- Mkpokoba usorogasi di n'uwa ka e tinye anya maka ichoputa otutu ezigbo uzo a ga-esi fu maka umuokoro ma umuagbogho inwe oru. Oke otu a—-nke a ga-akpo site na njikoaka nke ndiisi Banki nke Uwa na nke Otu Ndioru Uwa ndum, biakwasi nke a ga-eso kpo ndiotu ochu aku na uba ma ndiisi ndi nkiti n'obodogasi—-ga-atuputo atumatu nye Goomentigasi nime ofu afo.

**Inwe Nkwekorita na Mmuo N'achi Mmadu**:

N'iji mechi okwu, Odeakwukwo Uwa deputara okpurukpu uzo ihe ano n'achi mmuo mmadu, n'egosi ihe e bu n'isi nime Akwukwo Iwu ahu, nke di mkpa n'uzo puru iche n'oge afo nari ohuru a: enweghi mmekpa ahu: enweghi mmegbu ma idinofu; ileghara anya na mmehie; esoghi uzo ogu; inwe nsopuru n'etu okike uwa siri di, ma ijiko aka ru oru. O na-akpoku Ogbako Uwa Ohuru ka ha kwuo otutu ihe a ga-eme; nke sitere nime ozi o zigara, di ka ezigbo ihe n'egosi na ha nwere mmuo iji ihe ndia ru oru.

**Maka inwetakwa ozi**: *http://www.un.org/millenium*

Jee n'Internet. *http://www.un.org/millenium*